Pan-African Journal Of Humanities AndSocial Science
ISSN: 2682 – 6364
Available on-line at www.pashass.org

doi:10.5281/zenodo.3898604 Volume 2 │ Issue 1 │ 2020

# ASỤSỤ IGBO: IDE N'ỌZỤZỤ ỤMỤ

**OLEKAIBE CHINENYE C. Ph.D**
**Directorate of General Studies**
**Federal University of Technology, Owerri**

**MGBOROGWU ANDREW CHUKWUEMEKA**
**Directorate of General Studies**
**Federal University of Technology, Owerri**
**andymgborogwu@gmail.com.**
**And**
**EWEOMA BASILIA NKECHINYERE Ph. D**
**eweomabasil@gmail.com**

## Ụmịedemede

Asụsụ so n'otu ọkpụrụkpụ ihe na-akwalite omenaala bụkwa nke ịzụ ụmụ so n'ime ya. Asụsụ ndị bụ ya bụ ide ji ha n'ihe niile n'ihi na anaghị ahapụ isi gwanyere ọdụ ajụ. Anya ọtụtụ ụmụafọ Igbo lehara asụsụ na omenaala ha bụkwa nke ịzụ ụmụ so n'ime ya emeela ka ebe niile na-ada mfu na ọnwụ. Ihe ọjọọ bụzi ihe na-achị eze n'ihi na ndị Igbo aghaala ụkpụrụ ọma ndị nnanna anyị ha tụrụ ha e si azụ ụmụ. Ọ bụ ya wulitere mmụọ ndịodee a ma mee ka ebumnuche edemede a bụrụ ịmata ụzọ ndị ahụ Igbo haziri e si azụ ụmụaka, uru ụdị ọzụzụ a bara, aka mgba chere ya na ihe a ga-eme ka nwaugo biri. Nchọcha a chọpụtara ụzọ dị iche iche Igbo ji azụ ụmụ bụ nke gụnyere, akụkọ ifo, okwuntụhi, agwụgwa, ilu, akpaalaokwu, ụkabụilu. Ọ chọpụtakwara ọtụtụ uru nọ na ụdị ọzụzụ a ma kwuokwa ụdị aka mgba chere ya. O mechiri okwu ya site n'ikwu ka Igbo laghachi azụ n'ụkpụrụ ọma ndị nnanna ha tọrọ ha esi azụ ụmụ na ọ ga-enye aka ime ka ihe ọjọọ belata.

ISSN: 2682 – 6364
Available on-line at www.pashass.org

## Ndubata

Asụsụ abụghị agba ọhụrụ nye mmadụ. Ọ bụ ihe ya na mmadụ so pụta ụwa otu oge n'ihi na ọnụ e ji asụ ya bụ asụsụ nọ n'ahụ mmadụ oge ọ pụtara ụwa. Nke a mere ka asụsụ bụrụ ihe mmadụ na ibe ya ji akpa ụbụbọ, na-akọwapụta etu o si dịrị ha nakwa ihe ndị dị ha n'ime obi. Nke a gosiri na mmadụ apụghị ime ihe ọ bụla ma ewepụ asụsụ. Asụsụ bụ ya bụ ejecha ọgwụ na aka kpatụrụ nkwa na mmekọrịta mmadụ na ibe ya.

Iji gosi mkpa asụsụ dị mere na Chineke ji were okwuọnụ nke bụ asụsụ ya kee ụwa (Jenesis 1:3) ma ihe niile o kwuru bịara na mmezu bụ nke gosiri na mmadụ nwere ike ịgbanwe ọnọdụ ya na ihe niile gbara ya gburugburu nke na ọ chọghị site n'okwuọnụ ya. (Ilu 8:21) Mba na mpaghara niile nọ n'ụwa nwere asụsụ nke ha. Dịka Igbo si ekwu n'okwu na nkụ dị na mba na-eghere ha nri, nke bụ na asụsụ ndị na-enye ndị nwe ya ihe ha chọrọ. Obieze (2009) kwenyere na nke a site n'ikwu na a ga-ahụta asụsụ ka njirimara nke mmadụ nke omenaala nakwa nke obodo. Anukam (1999) n'uche nke ya sịrị na ụdị ọ bụla asụsụ si gosi onwe ya, ihe dị mkpa bụ na ọ bụ ụzọ mmadụ ji agwa onye ọzọ ebumnuche ya. Nke a dabara n'ihi na ọ bụ ya bụ isi sekpụ ntị n'asụsụ ọ bụla.

Okafor na Ewelukwa (2008:1) n'okwuọnụ ha sị na asụsụ bụ ụzọ ndị mgbe ochie chepụtara ka mmadụ na ibe ya were na-ekwurịta okwu, na-agwarịta ibe ha

ihe a chọrọ ka ha mata. Ha gakwara n'ihu sị na asụsụ bụ ụda mmadụ na-eme bụkwa nke ahaziri ahazi. N'eziokwu ụmụafọ ndị a ekwuola ya na amụchighị anya na asụsụ abụghị ihe ghaghagha na ọ bụ ihe a kpachapụrụ anya hazie bụkwa nke usoro na nghọta ya bụ ịgba nye ndị nwe ya

Mbata (2010) n'ime Onwubie na Okere (2018) sị na asụsụ bụ ụzọ gbara ọkpụrụkpụ ndị mmadụ si ekwupụta mbunuuche ha ma gbookwa mkpa ha dị iche iche a sịkwarị na ọ bụ nke e kwuru n'ọnụ ma ọ bụ nke edere ede n'akwụkwọ.

Nwaozuzu n'ime Egeonu (2009) kọwara asụsụ dịka ihe dị oke mkpa na ndụ mmadụ e ji ekpe ikpe, efe ofufe, azụ ahịa, achị ọchịchị dgz. Asụsụ Igbo so na imirikitimi asụsụ niile e nwere n'ụwa taa. Chinagorom (2013) sị na Igbo bụ aha agbụrụ bụrụkwa aha asụsụ ha. Ọ gakwara n'ihu wee sị na ndị Igbo so n'ime agbụrụ ndị bụ ọkaibe n'ala Naịjịrịa. N'ịtụnye oke nke ya apakama (2006:16) kwuru na asụsụ Igbo bụ asụsụ a na-asụ n'akụkụ a na-akpọ ala Igbo. Nke a pụtara na ọ bụ ndị Igbo nwe asụsụ Igbo nke bụ asụsụ onye kere ha ji chọọ ha mma ma bụrụkwa asụsụ ha ji echekwa omenaala na obibi ndụ ha. Ọzọ ọ bụ site n'asụsụ Igbo ka ndị Igbo si akuziri ụmụaka ihe n'ụzọ omenaala kwadoro iji chekwa agbụrụ Igbo bụkwa nke na-amịpụta ezi mkpụrụ ọtụtụ oge.

ISSN: 2682 – 6364
Available on-line at www.pashass.org

## Ndị Igbo na Ọzụzụ Ụmụ

Ụmụ bụ onyinye pụrụ iche na-esi n'aka onye kere ụwa abịa. Ọ bụkwa ezigbo ngozi nye ezinụlọ ọ bụla a hụtara ha. Ndị Igbo na-eji aka abụọ anabata ụmụ dịka ihe ga-eme ka agbụrụ ghara ịnwụ anwụ n'ihi na agbụrụ na-enweghị ndị ga-anọchi ha na ọdịniihu aghọọla aka akwọrọ tiere ọkụkọ akị. Ọ bụ ọnọdụ a kpatara na Igbo anaghị eji ọzụzụ nwa egwu egwu n'ihi na nwa azụziri azụzi bụ ugo chara acha nye ezinaụlọ mabụrụ ihe oke añụrị nye obodo nke o si n'ime ya pụta. Nke a kpatara na mmadụ niile na-etinye aka n'ọzụzụ nwa n'ala Igbo n'ihi na Igbo na-ekwu na okwu sị na ọ bụghị otu onye nwe nwa.

Ọzọ onye nwanne ya na-agba egwu ọjọọ n'ezi ọkọ iku na-akọ ya, atụnye okwute n'ime mgbakọta mmiri ọ ga-efesa onye ọ bụla nọ nsọ nke bụ na ọ bụrụ na akwọghị aka zụọ ụmụaka, ọghọm ga-esi n'ime ya apụta enweghị onye ọ ga-agha. Ọ bụ iji gbalaha ụdị ọnọdụ ọjọọ a mere na ndị Igbo sara anya mmiri wee wepụta ọtụtụ ụzọ e nwere ike iji zụọ ụmụaka iji mee ka ha kwụrụ chịm ma bụrụ ịgba ebe ọ bụla ha nwetara onwe ha.

ISSN: 2682 – 6364
Available on-line at www.pashass.org

**Ụzọ dị iche iche ndị Igbo si azụ ụmụ site n'asụsụ ha**

Ọ bụ site n'asụsụ ndị ka ihe niile ha na-eme na-esi epulite. Ndị Igbo apụghị iche na nke a. Ha na-esite n'asụsụ ha were na-akuziri ụmụ ha usoro na ụkpụrụ mmadụ nwere ike iji baara onwe ya uru. Ụfọdụ ụkpụrụ nkuzi ndị a gụnyere:

**Akụkọ ifo:** Akụkọ ifo bụ akụkọ ihe na-emeghị eme mana a na-akọrọ ya ụmụaka iji wee kuziere ha ihe. E nwere ike ịkpọ ya akụkọ nkọkịrịkọ, akọkọ ihe mere oge gboo maọbụ akụkọ iduu na ọba. Isi sekpụ ntị n'ime ya bụ na ọ bụ ụzọ e si eme ka ụmụaka mata ihe bụ ezi omume na ụzọ e si eme ya nakwa ihe bụ ajọ omume ma gbanaha ime ya n'ihi na site n'akụkọ ifo ka a ga-esi eme ka o doo ha anya ụdị ntaramaahụhụ na-adakwasa onye agwa ọjọọ ya na uru onye na-erube isi na onye agwa ọma na-erite. Ndị Igbo na-edo anya wepụta oge kacha mma e ji eme nke a. Ọ na-abụkarị oge ọnwa na-eti ya bụ oge ndị mmadụ mechara ihe ha nwere ime pụtazie izu ike ọrụ ha rụrụ n'ụbọchị. Ọ bụ ndị okenye ka ọ dịịrị ị na-agbazi ụmụaka olu site n'akụkọ ifo.

**Okwuntabire:** Okwuntabire bụ okwu a na-eji ọsọ ekwu ugboro ugboro iji nweta ihe a tụrụ n'ahịa. Ụfọdụ na-akpọ ya okwuntụhị. Emenanjọ (1989) kwuru na ọ bụ okwu na-agbawa ọnụ nwere ike mee mmadụ ịtabi ire ya. Ọ sịkwa na e nwere ike ịkpọ ya okwu mgbadoire, okwu mgbawaọnụ maọbụkwanụ ojuọnụ. Okwuntabire bụ ụzọ pụrụ iche ndị Igbo na-esi akuziri ụmụaka etu mmadụ nwere ike isi buru ihe

ISSN: 2682 – 6364
Available on-line at www.pashass.org

akuziri ya n'isi na-echefughị ya ngwa ngwa. Site na ịgụgharị ya ugboro ugboro. Ụfọdụ ọmụmaatụ okwuntụhi gụnyere

a) Ndị akwụ kwụ chim ebe a na-ere chimchim na-atakwa chimchim.

b) Nwaanyị bu olu ele, ị na-ere olu ele ere ka ị na-eri olu ele eri

ch) Obi kpọrọ okwe, o kpọkwara okwe kpọmkwem

d) Okey na-achụ oke, n'elu ọsọ okey na-achụ oke ka oke tara okey.

e) Kwa ụka kwa kobo kwa ụka kwa kobo

d) Ọkọ ọnụ, ọ na-akọ onwe ya ka ọ na-akọ mmadụ n'elu ọkọ na-akọ ya.

**Agwụgwa:** Nke a bụ ụzọ pụrụ iche e si akuziri ụmụaka ihe iji mee ka ụbụrụ ha na-aghọ nkọ. N'ebe a ka a na-ajụ ụmụaka ajụjụ ga-eme ka ha chemie echiche echemie tupu ha azaa. Emenanjọ (1989) kọwakwara na e nwere ọtụtụ aha e nwere ike ịkpọ ya bụ nke gụnyere gwam gwam gwam, tụm tụm tụm, zim zim zim, Ọ sịkwa na ndị Ọhaafịa na-akpọ ya akụmakụ ebe ndị Arọchukwu na-akpọ ya ịmarala, ịmarala?. Mbidokarị ajụjụ ya na-abụ gwam gwam gwam, gwam… Ọmụmaatụ gụnyere:

a) Gwam gwam gwam, gwam agawa agawa ọ nọ n'azụ, alọwa alọwa ọ nọ n'azụ

Azịza: ikereụkwụ

b) Gwam gwam gwam, gwam ihe mere Eze ji raa ntụ

Azịza: ube

ch) Gwam gwam gwam, gwam mpekele enyo mụ ji ahụ ụzọ

Azịza: ọnwa

d) Gwam gwam gwam, gwam ihe mụrụ ọtụtụ ụmụ o si n'elu daa, abụ agbawa ya

Azịza: ụdara

e) Gwam gwam gwam, gwam ihe sị gbata ọsọ na ụmụ añụgbuola ya n'ara

Azịza: ose

f) Gwam gwam gwam, gwam ihe si n'ala kuru mmiri laa n'elu

Azịza: akịoyibo

g) Gwam gwam gwam, gwam ọ nọ nso e rughị aka

Azịza: eluigwe

**Ilu:** Ilu bụ otu ọkpụrụkpụ ihe ndị Igbo ji anya isi n'asụsụ ha. Ọ bụ ejewe aghaghị n'asụsụ Igbo n'ihi na ọ bụ ya ka e ji achọ asụsụ mma. Ọ bụ isi ehi nke mere na anaghị achọ ya achọ iji mee ka asụsụ kaa aka ma bụrụ ịgba na ntị ndị na-ege ya. Achụwa aja ma ahụghị udele a mara na ihe mere be ndị mmụọ n'ihi ya ekwucha okwu Igbo ma ilu abataghị ya a mara na ọ bụghị ezi ụmụafọ Igbo bịara nzukọ ahụ. N'aka nke ọzọ ilu bụ mmanụ ndị Igbo ji aracha ose n'asụsụ ha. Ọnọdụ ilu dị oke mkpa n'asụsụ Igbo mere Igbo ji ekwu okwu sị na onye atụrụ ilu kọwaara ya na ego e ji lụọ nne ya furu ọhịa. Nke a gosiri na nwaafọ Igbo ọ bụla kwesịrị ịma ilu Igbo

nke ọma. Ọ bụ ya bụ okwu a na-eji agba izu n'ọgbakọ ma bụrụkwa ụzọ sere n'elu Igbo ji akuziri ụmụ ha ihe. Ilu bụ okwu e ji ekpuchi okwu ka onye na-abụghị mpunaala Igbo ghara ịghọta ihe a na-ekwu. Nwata ọ bụla e ji ilu igbo zụọ na-ama nke ekwe na-akụ oge niile n'ihi na anya a rọrọ arọ na nke elere ele agaghị enye ya nsogbu ịghọta ozi a na-ezi ya maọbụ ihe a chọrọ ka ọ ghọta

Nwadike (2009) sị na nkwanye ugwu onye Igbo dịka onye mara okwu ekwu na onye na-ekwu okwu na-ada ụda n'ọgbakọ bụ etu o si ewebata ilu na okwu ya. Ọ gakwara n'ihu wee sị na okwu Igbo ọ bụla nke na-ejighị ilu hazie ka a na-ahụ dịka okwu gba ọtọ. Nke a bụ eziokwu n'ihi na ilu bụ anya ndị Igbo ji ahụ ụzọ n'okwu ha. Ụfọdụ ilu Igbo ji akpa ngnga gụnyere:

a) Ụtara anaghị ada n'ala gbara aka aja

Nkọwa ị Ihe ọ bụla merenụ nwere ihe kpatara ya.

b) Anaghị agwa ochi ntị na agha esula

Nkọwa – Ihe onye chọrọ ka ọ ga-ahụ.

ch) Isi kote ebu, ọ gbaa ya maọbụ onye kpatara nkụ ahụhụ sị ngwere bịara ya ọrụ

Nkọwa – Onye kotere nsogbu ga-eji isi ya buru ya.

d) Ụkpana na-ere ọkụ, asị na ọ na-aha mmanụ.

Nkọwa – Mmadụ na-ata ahụhụ na-ekpuchi onwe ya nke ọma ndị ọzọ na-ahụ ya ka onye ụwa dịrị mma maọbụ gaziri

e) E mezie onye akidi, ya agwọta ọzọ

Nkọwa – Onye meziri onye meere ya ihe ọma ga-eme ka o mekwaara ya ọzọ

f) Onye kwe chi ya ekwe

Nkọwa – Mmadụ nwee obi siri ike na ya ga-emeli ihe, n'eziokwu ọ ga-emeli ihe ahụ.

g) Agwọ aghaghị ịmụ ihe toro ogologo

Nkọwa – Mmadụ ga-amụrịrị ihe yiri ya.

**Akpaalaokwu:** Nke a bụ okwu amamiihe ndị Igbo ji akpa nganga. O so n'otu ihe ndị Igbo nwere n'asụsụ ha na-eme ka mmadụ nwee ọgụgụ isi. Akpaalaokwu bụ ihe na-eme ka mmadụ nwee akọnuche na ụbụrụ na-aghọ nkọ n'ihi na ọ bụ ụzọ pụrụ iche Igbo ji azụ ndị ya. Ọ bụ nnu na-eme ka asụsụ dị ụtọ, kaa aka ma na-ede ude n'asụsụ Igbo. Akpaalaokwu so na mgbọrọgwụ na ntọala nkuzi n'omenala Igbo. Ụfọdụ ọmụmaatụ ndị e nwere gụnyere:

a) Ọ nwụ obi n'aka bịa

Nkọwa – Ọ mara oke ụzọ ụtụtụ bịa

b) Ọ tara obi agụ

Nkọwa – O siri oke ike

ch) Ọ bụ ezi

Nkọwa – Ọ na-eru unyi maọbụ onye na-anaghị adị ọcha.

d) Ha bụ nkwu

Nkọwa – Ha toro ezigbo ogologo

e) Ọ tara isi mbe

Nkọwa – Ọ bụ onye aghụghọ

Ụfọdụ egwu ọdịnaala Igbo e ji eme ka ụbụrụ ụmụaka na-aghọ nkọ

A. Nne onye, nne onye, nne onye, nne onye, nne onye

Nne onye, nne onye, Nne m, (ugboro abụọ)

Nne onye nwere akwa – Nne m

Nne onye nwere ugbo – Nne m

Nne onye nwere ego – Nne m

Nne onye mara mma – Nne m

Nne onye na-ara nsị - Nkịta

**Ụkabụilu:** Ụkabụilu bụ ebe ọzọ Igbo gbakwasara ụkwụ site n'asụsụ ha were na-akụziri ụmụaka ihe. Ọ na-abụkarị nkenke akụkọ nke nghọta ya na-anaghị e ji ike ese n'elu. A ga-echemi echiche ime tupu ghọta ihe ekwe na-akụ. Ọmụmaatụ ụkabụilu dịka Emenanjọ 1989 siri hụ ya.

a) Mkpi doro nwunye ewu aka na ntị sị ya enyekwala ya mkpari n'ihi na ọ nwaa anwaa ụbọchị ọzọ nye ya mkpari ọzọ, ya ga-egosi ya na ya bụkwa nwoke.

**Uru Ụdị Ọzụzụ a Bara**

Igbo na-ekwu okwu sị na a na-esi n'ụlọ mara mma pụwa n'ama. Ya bụ na uru hiri nne na-anọ n'ụdị ọzụzụ dị otu a bụ nke gụnyere:

a) Ọ na-eme ka ụmụaka mata ntọala ha

b) Ọ na-enye aka ime ka ụmụaka mata ihe bụ ezi omume ma na-eme ya.

ch) Ọtụtụ n'ime nkuzi ndị a na-eme ka ụbụrụ na-aghọ ụmụaka nkọ.

d) Ọ na-eme ka ụmụaka nwee egwu ma gbalaha ime ihe ọjọọ

e) Ọ na-ewulite akọnuche ma tinyekwa amamiizu n'ime mmadụ

f) Ọ na-enyekwa aka n'ịkwalite omenaala na obibi ndụ ndị nwe ya.

**Aka mgbe Chere Ọnọdụ a n'oge ugbu a**

a) **Ejighị ihe kpọrọ ihe:** Ndị Igbo bụ ndị na-anaghị eji ihe gbasara ha akpọrọ ihe ọ kachasị asụsụ ha. Iji gwa gị otu o si dị njọ ugbu a bụ na ọtụtụ ụmụafọ Igbo a mụrụ n'ala Igbo amaghị asụsụ Igbo asụ ma ya fọdụzie ihe e ji ya akụzi. Ọnọdụ dị etu a emeela ka ụdị nkuzi a na-akpụzi ka eju.

b) **Oke Mmepe anya:** Oke mmepe anya emeela ka ndị mmadụ na-eleda omenala Igbo na ihe niile gbara ya gburugburu anya bụ nke mere ka ihe ọma niile na-esi na ya apụta na-agbazi ọnyụpaa.

c) **Oke ịma akwụkwọ:** Ọtụtụ ụmụafọ Igbo na-eche na mmadụ ịma akwụkwọ maọbụ igosi na ya amụtala ihe bụ onye na-asụ asụsụ ndị mba ọzọ na-abụghị

asụsụ Igbo ọ kachasị asụsụ bekee. Ajọ ikuku a akwaala omenaala Igbo na asụsụ ya aka ọjọọ.

d) **Nleda anya:** Ọtụtụ ụmụafọ Igbo na-eleda ụdị nkuzi a anya ebe ọ dị ukwuu n'ihi na ha na-eche na ọ bụ nkuzi ndị nọ n'azụ obodo ya na nke ndị okenye na-agaghị akwụkwọ na-akuzi ma chefuo na ihe okenye nọ n'ala hụ na nwata rigoro n'elu osisi na ọ gaghị ahụ ya n'ihi na chim na-ebu ụzọ tupu akụ kpara.

## Nchịkọta

N'eziokwu omenaala Igbo bụ a kwaa akwụrụ n'ụdị nke ya ọ kachasị n'ịzụpụta ọkpụrụkpụ ndị mmadụ site n'asụsụ ha. Omenaala ọma ndị Igbo agaghị anwụ, asụsụ Igbo agaghị anwụkwa. Ka Igbo laghachi azụ n'ụkpụrụ ọma ndị nnanna anyị ha tụụrụ anyị bụkwa nke mịtara ezi mkpụrụ n'ịzụpụta ezi ụmụafọ Igbo. Ọ bụkwa ụdị ọzụzụ a nyere ha ezi akọnuche ha ji kwụrụ n'eziokwu bụ nke ha ji chịa ala Igbo mgbe ụwa dịka chi siri kee ya. Ọ bụrụ na e mee nke a gharagharaghara jụrụ ebe niile n'ala Igbo ga-ebelata.

## Edensibịa

Anukam, H.O. (1999). *Techniques of modern language Teaching.* Owerri: Skill mark media.

Apakama, L.M. (2006). *Ndubata n'ụtọasụsụ na ụdaasụsụ Igbo.* Owerri: Divine Mercy publishers.

*Baịbụlụ Nsọ Nhazi Katọlik* (1999). Ọnịcha: Africa Feb Publishers.

Chinagorom, L.C. (2013). *Uru Ezi akanka N'Agụmagụ Igbo ugbu a.* Owerri: I.O. Publishers.

Egeọnụ, N. (2009). Asụsụ ịnwụ anwụ/ifu efu ọ bụ eziokwu ka ọ bụ nhụrụuche. "Opiike journal of Igbo language and culture" vol 1 pg. 90.

Obieze, J.N. (2009). Ịkwalite Asụsụ na Omenaala Igbo site n'Ọzụzụ mmụta Nkuzi. "Opiike Journal of Igbo language and culture" vol. 1

Okafo, C.U. na Ewelukwa, U. (2008). *Nhazi Asụsụ Igbo Maka ule Sịnịọ Sekọndịrị na Kọleeji W.A.S.S.C.E, N.E.C.O., G.C.E., J.A.M.B.* Anambra: A.C. Global publishing. C. (Nig).

Onwubie, B.C. na Okere, O.F. (2018). Ọnọdụ Ọmụmụ Asụsụ Igbo Taa N'ụlọ Akwụkwọ Praịmarị Na Steeti Imo. "Achara Jọnalụ Nkwalite Asụsụ Igbo". Imo State University Owerri.